# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK,

# AT ANGELA MERICI PARISH,

# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 33RD SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR B)

## SUNDAY, NOVEMBER 14, 2021

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| ENTRANCE: | HERE I AM LORD |
| OFFERTORY: | MMA MMA../NYE CHINEKE ONYINYE |
| CONSECRATION: | AJA DI NSO |
| COMMUNION: | UCHE CHINEKE |
| POST COMMUNION: | O SACRAMENT MOST HOLY |
| DISMISSAL: | TIENU MKPU ONU |

**UKWE MBATA**

Osebruwa kwuru si:  Ana m eche echiche nke udo, obughi nke ahụhụ na mkpagbu.  Mgbe ọbụla unu bekuru m, agam anu olu unu, wee duchitere unu ndi nke unu ndi ejigasi ebe niile.

**EKPERE MMEGHE**

Anyi na ariọ gi, O Osebruwa, ka I mee ka anyị na-enwe aṅụri oge niile n’ofufe gi, n’ihina anuri anyi ga-ezu oke, dikwa ebeebe ma oburu na anyi na-efe oge niile, onye ahu iheoma niile si n’aka ya abia. Site na Dinwenu anyị Jesu Kristi nwa gị Onye gị na ya di ndu n’achi, n’idiko...

**IHE ỌGỤGỤ NKE MBỤ (DANIEL 12:1-3)**

*Ihe ọgụgụ e wetara n’Akwụkwọ Onye amụma Daniel*

***Isi Okwu: N’oge ahu a ga-anaputa ndi aha ha di n’akwukwo***

N’oge ahu, nnukwu nwa eze bu Maikel ga-ekulite. O bu ya na-eche ndi nke Gi nche. Ahuhu ga-adi mgbe ahu ga-abu udi nke anya na-ahubeghi mbu kemgbe uwa bidoro. N’oge ahu, ndi nke a ga-anaputa bu so ndi a choputara ebe edera aha ha n’akwukwo ahu.  Otutu n’ime ndi na-arahu ura na ntu nke uwa ga-eteta n’ura. Ufodu ga-ebi ndu ebighi ebi. Ndi ozo ga-abu ihe a na-aso oyi na ihe nkocha ruo mgbe ebighi ebi. Ma ndi nwere uche ga na-enwu ocha ka mbara igwe. Ndi kpobatara otutu mmadu n’ezi omume ga na-amukesi ka kpakpando ruo mgbe ebighi ebi.

*Okwu nke oseburụwa.*

**ABUOMA NA AZIZA YA**

*Aziza: O Chukwu, chekwaba m, agbabatala m na nchedo Gi*

1. Onyenweanyi I bu oke m ketara na iko m. O bu Gi ga-ejidere m oke ruuru m. Eguzobere m Onyenweanyi n’ihu m mgbe nile. Ebe o bu na O no m n’aka nri, ukwu siri m ike n’ala. Aziza
2. N’ihi ya, obi di m uto. Mmuo m na-anuri onu. Ahu m sokwa nwee ume na obi iru ala. N’ihi na I gaghi ahapu m n’ala mmuo; I gakwaghi ekwe ka onye kwere na Gi ree ure. Aziza
3. I ga-egosi m okporo uzo nke ndu na anuri zuru oke n’ihu Gi, tinyekwuoro ihe oma juru Gi n’aka nri ruo mghe ebighi ebi. Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO**

*Ihe ogugug ewatara n’Akwukwo Ozi e degaara Ndi Hibru 10:11-14,18*

*Isi Okwu: O jiri so otu aja o churu nani out mgbe, nweta izuoke di ebighi ebi*

N’agba ochie, ndi nchuaja nile guzoro n’oru ha kwa ubochi. Ha chupu otu aja ahu na-enweghi ike ibupu mmeghie, ha chugharikwaa ya ozo. Ma n’aka nke Kristi, O churu so otu aja maka mmehie, wee were onodu Ya mgbe ebighi ebi n’aka nri Chineke. Ebe ahu ka O na-eche ka ndi iro Ya ghooro Ya ihe mgbkwasi ukwu. O jiri so otu aja ahu O churu nani otu mgbe, nweta izuoke di ebighi ebi maka ndi nile O doro nso. O bur una a gbagharala mmehie dum, o putara na e nwekwaghi ike ichu aja e ji ebupu mmehie.

*Okwu nke Oseburuwa.*

*Ekele diri Chukwu*

***ALELUYA***

Aleluya, aleluya! na-echenu nche; dinu nkwadebe. Unu amaghi mgbe Nwa nke Mmadu ga-abia. Aleluya!!!

***OZIỌMA (Mak 13:24-32)***

*Ihe ọgụgụ nke a si n'Oziọma dị asọ nke Mak dere.*

***Isi Okwu: Ọ ga-akpọkọta ndị ọ họtara site na n'akụkụ anọ nke ụwa,***

24Jesu gwara ndị n'eso ụzọ ya sị, "N'ụbọchị ndị ahụ, oge mkpagbu ahụ gachara, anyanwụ ga-agba ọchịchịrị,
ọnwa agaghị enyekwa ìhè ya ọzọ. 25Kpakpando niile ga-esite n'eluigwe na-ada, a ga-enugharị ike niile nke
eluigwe.

26Mgbe ahụ ha ga-ahụ Nwa nke mmadụ ka o ji ike na ebube ya si n'urukpu nke igwe na-abịa.

27Ọ ga-ezipụkwa ndị mmụọọna ya n'akụkụ anọ nke ụwa, kpọkọta ndị ọ họtara site na nsọtụ niile nke ụwa ruo na
nsọtụ niile nke eluigwe.

28"Mutanụ ihe nkọwa site n'ihe osisi fiig na-eme. Mgbe ọbụla alaka ya malitere ịwapụta ome dị nro, na-
epupụtakwa akwụkwọ ndụ, maranu na-udummiri dị nso.

29Otu aka ahụ, mgbe ọbụla unu hụrụ ka ihe ndị a na-eme, maranu na ọ nọ nsọ, ọ nọrọlarị n'ọnụụzọ.

30N'eziokwu agwa m unu, ọgbọ a agaghị agabiga ruo mgbe e mezuru ihe ndị a niile.

31Eluigwe na ụwa ga-agabiga ma okwu m agaghị agabiga ma ọlị.

32Ọ dịghị onye ma maka ụbọchị ahụ ọ bụladị ndị mmụọma nke eluigwe, nke ọ na-abụ nwa nke mmadụ, ọ bụ sọ
Chineke n'onwe ya bụ onye mara.

*Oziọma nke Oseburụwa.*

*Otito diri Gi, Kristi.*

**EKPERE NHUNYE**

Anyi na-arịọ gi, O Osebruwa, ka I mee ka onyinye nkea anyi butere n'ihu ebube eze gi, nwetara anyi grasia nke ofufe gi, wee mitara anyi mkpuru nke aṅụri ebeebe. Site na Kristi ....

**UKWE ORIRI NSO**

Ihe n'enye m aṅụri bu ikwudosi ike na Chukwu, wee tinye nchekwube m niile na Osebruwa Chukwu m.

**EKPERE ANATACHA ORIRI**

Anyi bu ndi natara onyinye nke ihe omimi nkea di aso, ji umeala na-ario gi, O Osebruwa, ka ihe nwa gi nyere anyi n'iwu ka anyi na-eme na ncheta nke ya, nyere anyi aka ka ihunanya anyi na-abawanye. Site na Kristi ...